Ndịna, Agwa Na Akparamagwa Dịka Ngwọrụ E Ji Kpụọ Agwa Dike Ọgụ N'abụ Ékè Ùne

Nke Si N'aka

Eze Eucharia Anenechukwu (Ph.D)
Department of Linguistics and Communication Studies
University of Port Harcourt
E-mail: eucharia.eze@uniport.edu.ng
Na
Ugwoke Uchenna Jude
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
GSM: 08058740538

Ụmị

Ndịna abụ bụ ndịnisiokwu odee na-eji ebuputa isiokwu ọ chọrọ ka ọhaneze soro ya hụta. Isiokwu anaghị eweputa onwe ya. Ọ bụ site na agwa na akparamagwa dị iche iche odee kpụrụ n'edemede ka o si apụta ihe. Nke a mere nchọcha a ji gbado ụkwụ n'inyocha ndịna, agwa na akparamagwa dị iche iche Obike kpụrụ n'abụ a bụ Eke Une nke mere ka ọhaneze mara na e nwere ụdị agwa dị iche iche na-aputa ihe na ndụ ndi mmadụ. Iji mee ka nke a doo anya nke ọma nchọcha a nyochara agwa dị iche iche pụtara ihe n'abụa nakwa akparamagwa ha. Nchọcha a ji atụtụ Maksizim nke ziputara na ọ bụ site na ndọkụrịta na ndọrọndọrọ ka agwa dị iche iche si egosipụta akparamagwa ha ma sikwa otu ahụ mara etu onye si akpa agwa. Site na nchọchaa, ndị nchọcha chọpụtara na e nwere ụdị agwa atọ na-apụta ihe na ndụ ndị ọhaneze. Agwa ndịa gunyere agwa ọchọ ọdinma nke onwe, agwa ọchọ odinma nke onwe, agwa ọchọ ọdịnma nke onwe na nke ọhaneze nakwa agwa ọchọ ọdịnma nke ọhaneze. Nchọcha a wee na-akpọku ọhaneze tụmadị ndị ọchịchị obodo na mpaghara dị iche iche ka ha nomie agwa ọchọ ọdịnma nke ọhaneze ma dị nkwadebe mgbe ọbụla iji ọkwa ha

chụọrọ ọhaneze aja ghara iji maka ụtọ ego na ihe ọchịchọ nke ụwa wee na-akwafụ ọbara.

1.0 Mkpọlite

Akụkọ dike bụ akụkọ omenanrọ ebe emereme niile na-abụ n'ụwa nrọ. Ọ bụ akụkọ a na-esi na ya ezipụta akparamagwa dike n'uju. Ọ na-enwekwa ntọala dị obosara dị ka o si metụta ebe na oge. Usoro ezimozi nke akọmakọ na agwa mejuputara ya dị ukwu karia ihe a na-ahụ na ndụ. Ọ bụ akụkọ nkọmịrịkọ ebe ihe anaghị eme na ndụ na-emegasị. Ọmụmatu ya bụ akụkọ ndị digasi n'akwụkwọ ala dị iche iche ebe e nwegasịrị agwa ndị kpara ike dị egwu ma wetakwa mgbanwe, n'ụwa ha hụtara onwe ha.

Arnott (2016) kwuru na akụkọ dike n'oge mbụ bụ ngalaba abụ nke a na-akpọ abụ akụkọ dike mana n'oge ugbu a, akụkọ dike agbasaala aka wee na-emetuta ihe ngosi nkwago iduuazi, egwu na ọtụtụ ihe nkiri n'onyonyo nke na-agbado ụkwụ n'emereme dike. Ya bụ na akọmakọ ọbụla pụtara n'ụdị ọbụla nke na-eziputa emereme dike bụ akụkọ dike. Ọ dị ihe ise bụ njirimara akụkọ dike dika Arnott (2016) siri zipụta ha. Nke mbụ bụ na a ga-enwe emereme ndị mmụọ nke na-apụta ihe n'ebe mmadụ nọ. Nke abụọ bụ na a ga-enwe agwa ndị kara obi nke ụjọ ọbụla adighị n'ime. Ọzọ, a ga-enwe agwa nke a ma ama dịka onye dị ezigbo mkpa n'obodo. Olu na asụsụ e ji ede akụkọ dike na-abụ nke njamma na mbuli dike elu. N'ikpeazụ, ntọala ya na-emetụta ọtụtụ obodo ma ọ bụ ụwa niile. N'ọrụ nchọcha a, anyị ga-ekwu na akụkọ dike bụ ụdị akọmakọ nke isiokwu ya na-agbado ụkwụ na njem na ike dị iche iche dike kpagasịrị.

Odee haziri akụkọ dị n'abụa n'isi n'isi. Ọ malitere n'isi nke mbụ wee kwusị n'isi nke iri. Isi nke ọbụla nwere isiokwu na ihe pụrụ iche mere na ya. Ihe mere n'isi nke ọbụla na-enwe ihe kpaliri ya n'isi nke gara aga. Isiokwu akụkọ a nke ọkọ akụkọ bụ n'obi ka ụwa niile hụ bụ ike dike kpara. Site n'isi nke mbu ruo n'isi nke iri ebe akụkọ a kwụsiri, ihe juputara ya bụ ọgụ dike Eke une nke ndị Isieke ji mere chi lụrụ. Ọ lụrụ megide dinta na anụ ọhịa dị iche icheo zutere mgbe ọ na-achụ nta n'ọhịa. Ọ lụkwara megide ndị agha France na dike mmadụ bụ Ulku. Ọ lụkwara megide ụmụ nnụnnụ dị iche iche. N'ime ọgụ a niile, ọdighị nke tara isi ya. N'agbanyeghi mmerụ ahụ niile ọ gabigara, ọ gbanahụrụ ọnwụ wee laa ezumike nka n'ime osimiri dị n'ime ala.

O mekwara ihe itụnanya dị iche iche nke gosiri n'ezie na ọ bụ dike. Ilo mmadụ na-adị ya mfe ka ilọ ụtara. O lokwara anụ rere ure ma ogbụghị ya. O jiri asọ gbụkasịa ụgbọ elu ndị France. O loro anụ dị iche iche tụmadị nke nwere mpi agadaga. Ọ gbụpụ asọ n'ala, osịmịrị eribido ndị mmadụ niile. Ọ gbụlịe ya elu, egwurugwu apụta n'igwe. O were ọdụdụ ya kwuru ọtọ, obodo niile a na-ahụ ya. Ulku bụ nwa mmadụ bịara nke bụ ọgụ dike ebiri ọkụ. Ulku katara obi lụso anụ ndọgbu a na nwa ya ọgụ ma ọnwụghị. Ihe ndia niile mere nchọcha a ji wee chọ ịchọpụta akọrọngwa di iche iche ode abụ a ji wee wepụtasia ma ọ bụ kpụọ agwa dike ọgụ n'abụ a bụ Eke Une.

2.0 Ntuleghari Agụmagụ

2.1 Atụtụ n'isiokwu

2.1.1 Atụtụ Maksizim (Maxism)

Atụtụ maksizim dịka Leszek (2005) siri zipụta ya bụ nke na-akọwa agụmagụ site n'atụtụ obodo na azụmahịa nke sitere n'aka Karl Marx na onye odee ibe ya bụ Friedrich Engels n'akwụkwọ ha kpọrọ *The Communist Manifesto*. Marx na Engels (1848) kwenyere na oge na-abịa mgbe ndị ńtà ga ámà ndị ukwu aka n'ihu ma napụ ha ọnọdụ ha n'obodo. A bịa n'obodo, e nwere ndị ukwu nwee ndị ńtâ. Ndị ukwu dịka ha siri kọwaa bụ ndị ọgaranya na-ahụ maka azụmahịa n'obodo. Ndị nta n'aka nke ha bụ ndị ogbenye na-agbara ndị ukwu odibo. Ndị nta ndị a bụ ndị na-arụpụta ihe oriri na ihe ndị ọzọ a na-ere n'ahịa mana ha anaghị erite uru n'ahụhụ ha na-ata. Nke a bụ maka na ndị ukwu e nwere n'obodo na-anapụ ha ohere irite uru n'ọrụ ha. Marx na Engels (1848) gara n'ihu kwuo na mpaghara e nwegasịrị n'obodo dịka: okpukperechi, agụmakwụkwọ, ọchịchị dgz abụrụla nke ndị ukwu were ọnọdụ n'ime ha na-ekwu ihe ga-eme. Nke a na-ebute ndọrọndọrọ onye ga-aka ibe ya.

Ndị ntụcha maksizim na-etinye echiche na ndọrọndọrọ a mgbe ha na-agụ akụkọ, ejije na abụ. Ebe ọ bụ na agụmagụ bụ ọrụ nka nke na-ezipụta ndụ na obibi ya, ndị maksizim na-eji ya enyocha agụmagụ ọbụla. Agụmagụ na-ezipụta ihe na-eme n'ụwa ebe e jiri mere ntọala ya. Ihe dị mkpa bụ na onye a na-ahụta dịka onye ka ibe ya ga-ebili megide onye nọ n'okpuru ya dị nta. Onye nke dị nta ga-agbakwa mbọ ịlụ ọgụ ka o wee zọpụta onwe ya.

Atụtụ a kwenyere na e nweghị ike ịkọwa agụmagụ ma e wezuga ndọrọndọrọ ọchịchị, azụmahịa na akụkọ ala. Nke a pụtara na ihe na-eme n'obodo dị mkpa ilekwasị anya na nnyocha agụmagụ. Mgbe e webatara ihe ọhụrụ nke adabaghị n'usoro ndụ ndị obodo (omenala), a na-enwe nsogbu nke na-ebute tigbuo zọgbuo. Onye ọbụla na-agba mbọ ịnọrọ n'ogo dị elu n'obodo. Onye tụọ ụjọ ọdịda, ọ kara ya njọ.

Grogan (2012) jiri atụtụ maksizim nyochaa *Things Fall Apart* nke Chinua Achebe dere. O gosiri etu ọbịbịa ndị ọcha na mwebata okpukpere chi dị iche na nke ndị Ụmụọfịa siri wee weta ndụkọrịta nke wetara ọdịda nye omenala ndị obodo. Okonkwọ bụ onye a ma ama dịka dike n'obodo busoro ndị ụka agha. Mgbe ọ hụrụ na ike ha akarịala nke ya, o gburu onwe ya iji gbalarịa ihere.

Atụtụ a metụtara isiokwu nchọcha a maka na ọ bụ site na ndọkụrịta na ndọrọndọrọ ka e si enweta onye bụ dike. Agaghị ekwu maka abụ akụkọ dike ma ekwughị maka ndọrọndọrọ na ọgụ.

2.2 Nkọwa okwu ndị dị ọkpụrụkpụ (Conceptual review)

Na nkebi a, ndi nchọcha kọwara ụfọdụ ihe banyere isiokwu nchọcha a. Ọ gakwara n'ihu rụtụkwa aka n'ihe ndị ọkammụta kwurula banyere okwu ndị dị ọkpụrụkpụ n'isiokwu nchọcha a. Ihe ndị a ga-enye aka ka nchọcha a doo anya ma dị mfe nghọta. E nyochara ọkpụrụkpụ okwu ndị al abụ, akụkọ, akụkọ dike, abụ akụkọ dike, dike na njirimara dike, akụkọnabụ na njirimara ya.

2.2.1 Abụ

Ịkọwa ihe abụ pụtara bụ ihe hịara nnukwu ahụ. Inye otu nkọwa maọbụ abụọ gbasara ihe bụ abụ dịka Kennedy (1987) na Ogbe (1995) siri kwuo, hịara nnukwu ahụ n'ụwa gbaa gburugburu. Nchọpụta n'ọtụtụ edemede egosila na ka ndị mmadụ na-agba mbọ inye nkọwa ihe abụ bụ kpọmkwem bụ ka ha na-achọpụtawanye ihe nhịahụ chere ha n'ihu inye nkọwa ahụ ha bu n'uche. Ihe kpatara nke a dịka Maduakor (1991) siri kwuo bụ na abụ bụ ihe ọmụmụ gbasara mmetụta ndị mmadụ na-enwe n'obi ha nke na-agbasata naanị onye ahụ nwere ya. Ndị ọzọ nọ nso anaghị ahụ mmetụta ahụ anya maọbụ metụ ya aka. Maduakor (1991) gakwara n'ihu kwuo na abụ bụ nnukwu mmetụta na-abịakwute mmadụ na mberede nke onye ahụ na-ejiri nwayọọ kọwaa mgbe ahụ jụrụ ya oyi.

Otu odee ahụ sitere China bụ Mo-jo (1957) na-ekwu na abụ bụ egwu nke na-esite n'obi ndị mmadụ nke na-agbado ụkwụ na mgbe ha biri ndụ nke ha. N'aka nke ọzọ, Yeat (1974) na-eme ka ndị mmadụ mata na abụ bụ nke e ji akpọpụta ụda ndị na-atọ ụtọ ga-abarịrị uru. N'akwụkwọ American Encyclopedia nke iri na ise (1988), a kọwara na ọtụtụ mgbe abụ na-agbasata asụsụ mbuli elu maọbụ asụsụ nkịtị ndị ji akarịta ụka n'ọgbọ. Maduakor (1991) na-akọwa na abụ bụ abụ ọnụ niile ndị mmadụ na-abụ mgbe ha kacha nọrọ n'ọnọdụ obi anụrị. Maduakor (1991) gakwara n'ihu sị na ihe abụ bụ kpọmkwem bụ ǹka nke na-akọwa mmetụta obi mmadụ n'ụdị dị ọkpụrụkpụ na n'ụdị asụsụ ndanusoro. Okoye (2004:66) kọwara abụ dịka; "Echiche miri emi mmadụ chepụtara maka ọtụtụ ihe dị iche iche. Onye anaghị anọrọ nwayọọ chee echiche agaghị edepụtanwu abụ. Nke a bụ maka na ọ bụ ọrụ echiche." Nzebunachi (2009:57) n'aka nke ya kọwara abụ dịka:

Nzimozi nke si n'obi pụta e nwere ike dee n'akwụkwọ maọbụ zipụta ya n'ọnụ nke a na-eji okwu ọkpọkpa maọbụ okwu apịrị aka maọbụ okwu nke bụ ịgba zipụta n'ụzọ dị nkenke.

Nkọwa a pụtara na abụ na-akpị okwu akpị. Ọ bụghị nke a na-eji ọtụtụ okwu ezipụta echiche odee.

Ihe nhịahụ dị na nkọwa abụ mere ọtụtụ ndị ọkammụta jiri kọwaa ya n'ụzọ dị iche iche, onye ọbụla etu o si hụ ya. Kirszner na Mandell (2007) gakwara n'ihu kwuo na ụzọ ọzọ e nwere ike isi kọwaa abụ bụ site n'otu mmadụ, omenala na nkwenye dị iche iche si ele abụ anya. Ihe ndị kwenyere na o kwesịrị ịdị n'abụ mgbe ụfọdụ anaghị abụ ihe ha na-ekweta na ọ dị n'abụ. Ọmụmaatụ: o nwere ndị kwetere na a na-ahụ mịta na raịm na nhazi abụ, ebe ụfọdụ kwenyere na ụdaolu na ndanusoro. Etu ndị si ahụta abụ, ya bụ etu ha si akọwa ya. Ọ bụ ya butere ọtụtụ nkọwa dị iche iche nye abụ.

Ọ bụ site n'abụ ka agbụrụ ọbụla ji akọwa ọtụtụ ihe gbasara ụzọ ndụ ha. A na-eji abụ ekwupụta ọtụtụ ihe nke na-atọ ntị na-anụ ya ụtọ etu ọgụụ si agụpụta abụ ndị ahụ. Ọnọdụ dị iche iche mmadụ na-ahụta onwe ya na-akpalite mmụọ ya ịrụpụta abụ. Ọ bụ nke a mere ndị Igbo jiri nwee ụdị abụ dị iche iche dịka, abụ akụkọ dike, abụ otuto, abụ ikpe/nkọcha, abụ agha, abụ nwa, abụ akwa arịrị, abụ ọrụ, abụ echiche miri emi, abụ ofufe/ntọaja dgz.

2.2.2 Akụkọ dike

Ụfọdụ ndị ọkammụta enyela nkọwa ole na ole banyere akụkọ dike. Corrigan (2012:225) kọwara akụkọ dike dịka; "Akụkọ omenanrọ ebe emereme niile na-abụ n'ụwa nrọ." Ọmụmaatụ akụkọ dike o jiri kwadoo echiche ya bụ *Lord of the Rings* na *Game of Thrones.* Emereme niile dị n'akụkọ ndị a bụcha n'ụwa nrọ ebe ha nọrọ wee zipụta akparamagwa dike n'uju. Akụkọ dike dịka Corrigan (2012) siri kọwaa na-enwekwa ntọala dị obosara dịka o si metụta ebe na oge. Petrovic (2016:153) kọwara akụkọ dike dịka; "Usoro ezimozi nke akọmakọ na agwa mejupụtara ya dị ukwu karịa ihe a na-ahụ na ndụ." Ya bụ na ọ bụ akụkọ nke nkọmịrịkọ ebe ihe anaghị eme na ndụ na-emegasị. Ọmụmaatụ ya bụ akụkọ ndị dịgasị n'akwụkwọ nsọ na akụkọ ala dị iche iche.

Ọ dịkwa mkpa ka mmadụ niile mara na abụ akụkọ dike bụ nchịkọta akụkọ ala nke edeghị n'akwụkwọ akụkọ ala ndị ọzọ. Ya bụ na site n'abụ akụkọ dike, ndị mmadụ na-agụ ma na-amata ihe mere n'obodo ha n'oge gara aga (mgbe ochie).

Na nchịkọta, abụ akụkọ dike bụ abụ akụkọ toro ogologo nke na agbakwasị ụkwụ n'emereme dike maọbụ n'ike dike kpara. Ọ bụ nke na-arụtụ aka n'oge tere aka nke na-abụ nsiripuru obodo. Anyị nwekwara ike ịkọwa abụ akụkọ dike dịka abụ e tinyere n'ụdị akụkọ toro ogologo nke na-eji asụsụ njamma maọbụ mbuli elu na-eto ike dike ọdịnala kpara.

2.2.3 Dike na njirimara dike

Ọtụtụ ndị ọkammụta akọwaala dike dịka o si metụta agụmatụ. Abrams na Herpham (2012) n'ịkọwa dike kwuru na ọ bụ isiagwa nke na-abụ e wepụ, akụkọ agaghị agakwa n'ihu. A na-enwe agwa mmegide nke na-apụta igbochi dike imezu ihe dị mma ọ bịara ụwa ime. Agwa mmegide a anaghị emeri dike n'ọgụ. Hornby (2015) n'akwụkwọ ọkọwa okwu kọwara dike dịka isiagwa n'agụmagụ nke na-enwe obi ike ma na-egosikwa atụghị egwu iguzogide ihe ike ọbụla nwere ike ịbịara ya na ndu. Nwachukwu-Agbada, Omobowale, Ododo na Adebiyi-Adebabu (2019:33) kọwara dike dịka:

> Agwa nke na-apụtakarị ihe n'agụmagụ nke akụkọ niile na-agba gburugburu. Mmekọrịta ya na-agwa ndị ọzọ ka e si aghọta ihe akụkọ na-ekwu maka ya. N'ahụ ya ka odee na-eguzobe ndọkụrịta

nke na-eweta nkowa obi n'elu ga-eme ka ọgụụ gụrụ gawa n'ihu. Ọ ga-enwe agwa mmegide nke ga-akpali ọgụ dike n'etiti ha.

Ụfọdụ ndị ọkammụta n'amụmamụ banyere dike ọdịnala ewepụtala ụfọdụ njirimara dike. Ndị ọkammụta ndị a enweghị mkpebi kpọmkwem banyere ihe njirimara dike ga-egosipụta ka e wee kpọọ ya dike. Vries (1986:20) zipụtara njirimara iri nke e ji ama dike. Han (1986:22) weliri ọnụọgụgụ ya elu ọ bụrụ njirimara iri na ise. Reglan (1986:21) gbatịrị njirimara nke ya ọ dịzie iri abụọ na abụọ. N'ime njirimara ndị a niile ha zipụtachara, ha kwekọrịtara n'asaa. Ha gụnyere:

1. Ọmụmụ dike na-adị iche. Nke a pụtara na a na-amụkarị ha n'obi eze maọbụ n'ezinaụlọ a mara nke ọma n'obodo.
2. Ha na-akpa ike pụrụ iche. Nke a bụ na ha na-enwe akọnuche zuru oke nke ga-eme ka ha dịka nnukwu mmadụ n'obodo.
3. Ha na-eme oke njem. Ya bụ na ha na-enwekarị ohere ịga ebe dị iche iche ọkachasị mgbe ha na-alụ ọgụ megide ajọ ihe.
4. Ha na-adị umeala. Dike anaghị etu ọnụ maọbụ na-akpa nganga. Ihe ha na-eme na-abụ maka ọdịmma ọha mmadụ.
5. Ha na-abụ ndị agha. Ebe a na-ahụkarị dike bụ n'ihu agha ebe ọ na-egosi n'ezie na ọ bụ dike.
6. A na-ahụta ha ka mmadụ pụrụ iche ọkachasi n'ihe banyere omenala obodo ha. Ya bụ na ha na-ama omenala obodo ha.
7. Ha na ndị mmụọ na-enwe mmekọrịta. O nwere ike ịbụ enyemaka ka ọ na-anata n'aka ndị mmụọ maọbụ na ọ na-alụso ndị mmụọ ọgụ.

3.0 Nnyocha Ndina, Agwa na Akparamagwa dịka ngwaọrụ e ji kpụọ Agwa dike n'Abụ Eke Une

3.1.1 Ndịna

Ndịna bụ ihe abụ na-ekwu maka ya. Ọ bụ ndịnisiokwu odee na-eji ebupụta isiokwu ya. E nwere ọtụtụ ndịnisiokwu pụtara ihe n'abụ a nke odee jiri zipụta isiokwu ya. Ha gụnyere: ịbọ ọbọ, ịgba ndụ, ịhụnanya, ịlụ ọgụ na omenala iri ji ọhụrụ. Ọchọcha nyochara ha n'otu n'otu etu ha si pụta ihe n'abụ a.

3.1.2 Ịbọ ọbọ

Nke a pụtara ihe n'abụ a ebe o were anya. Ndị Isieke Ụmụahịa gburu ọkpara Eke Une n'oge gara aga nke odee kpọrọ afọ 'timgbam'. Nke a kpaliri Eke ịbọsa ha ọbọ site n'ịgbụpụta nnukwu mmiri n'elu ala nke riri ọtụtụ ndị mmadụ.

N'ihi na nna anyị ha gburu ọkpara gị
I wee bọọ ha ọbọ
I wee maa ha mmiri! (ihu 7, ahịrị 40-42)

Mgbe dinta zuru ohi daịmọn Eke Une ji achụ nta, ọ bọkwara ọbọ site n'ilo ndị obodo si n'ụra teta.

I lebe anya
Ị hụ ka ọ na-elo
Ndị ime obodo si n'ụra teta (ihu 11, ahịrị 133-135)

E nwekwara ịbọ ọbọ mgbe Ulku chịrị ụmụ nnụnụ ugo na okoko. Nnụnụ ndị a bọrọ ọbọ site n'ịbịa bụruwe ụmụaka niile a mụrụ ọhụrụ n'obodo. Ha mere nke a mgbe ha nyechara ndị obodo nsogbu ma ha enyeghachighị ụmụ ha.

Mgbe chi bọrọ
Nnụnụ bịara ọgụ awaala ụlọ!
Ha burukwara ụmụ niile na-anụ ara
Felaa n'elu apụ, ime gbanworo gbanworo (ihu 44, ahịrị 913-916)

3.1.3 Ịgba ndụ

Nke a bụ ndịna ọzọ pụtara ihe n'abụ a. Ndị Isieke na Eke Une gbara ndụ ka ọ kwụsị ilo ha. Ha mere nke a site n'iwere ntụrụkpa, ụdọ na ọjị gbara asaa gaa n'une. Ndị ichie rịọrọ ya ka ọ gbara ịbịakwa loo ha ma ọ hụrụ daịmọn ya ma ọ hụghị ya.

N'ụtụtụ ndị ichie ala m
Wee were ntụrụkpa gaa n'une
Were ụdọ
Na ọjị gbara asaa
Ọgbụgba ndụ adaala: (ihu 12, ahịrị 151-155)

3.1.4 Ịhụnanya

Ịhụnanya na ezi mmekọrịta enweghị atụ pụtara n'etiti Ada na Ulku. Ulku bụ dike mmadụ e nwere n'abụ a. Ha abụọ zutere onwe ha n'ụzọ ebe Eke Une kwọ ada ya n'azụ were na-ala mba. Ada nwere mmasị dị egwu n'ebe Ulku nọ. N'agbanyeghị

na Ada bụ nwa mmụọ ma Ulku bụ nwa mmadụ, o gbochighị ha ịhụrịta onwe ha n'anya. Ada nyere ya ọla majik nke o jiri kpaa ike dị iche iche n'abụ a. Ulku n'aka nke ya malitere iwetara Ada akwa nnụnụ nke kachasị amasị ya. Ha abụọ nwere ezi mmekọrịta dịka enyi na enyi. Ịhụnanya dị n'etiti ha mere ka ha abụọ kpawa etu ha ga-esi lụọ di na nwunye. Ha gwurịtara egwuregwu ịhụnanya n'ụzọ dị iche iche dịka ibi ọma, ikọrita ibe ha n'olu na isutu ọnụ. Nke a bụcha nzipụta emereme ịhụnanya. Ulku nyekwara ya sapo na ncha nke ọ na-eji asa ahụ wee nweta ọdịdị mmadụ.

Mamị na-efere ụmụokorobịa aka
O lere anya hụkwa otu onye
A na-akpọ Mazị Ulku
Ihe Ulku masịrị ya
N'ihi na ọ mara mma
Bụrụkwa nwoke nta;
O nyekwara ya mgbalaka ọla-edo
Ọ bụ ọla majik; (ihu 24, ahịrị 416-423)

Ịhụnanya ha mechara laa. Ihe kewara ha bụ na Ada chọrọ ka Ulku were otu nwanne o nwere wee chụọ aja ka ịhụnanya ha wee dịwanye ire. Ulku jụrụ ajụ Ada ewee iwe malite ịgba ya mgba. Nke a butere nnukwu ọgụ dike na dike.

3.1.5 Ịlụ ọgụ

Ịlụ ọgụ bụkwa ndịna ọzọ odee ji zipụta isiokwu ya. Tupu a kpọọ ekere ọbụla dike, ọ ga-alụ ọgụ dị iche iche ma nwekwa mmeri n'ọtụtụ n'ime ha. Eke Une na ndị obodo Isieke lụrụ ọgụ maka ọkpara ya ha gburu na daịmọn ya ha zuuru. Ha lụgidere ike wee buru ụzọ gwụ ndị obodo.

Ike mgba na ọgụ agwụla ha
Ndị Isieke Ibeku (ihu 16, 234-235)

Eke Une na eke nta na ọsa lụkwara ọgụ mgbe Eke Une gara ịchụ nta. Ọgụ ha kporo ọkụ mana o mechara, ọsa gbaa ọsọ, eke nta wee ghọrọ anụ oriri nye Eke Une.

Ma eke nta, ma ihe ọ kpụ n'ọnụ
O kweghị ekwe ugbu a
O wee chara ntụ ntụ gbahịa eke une
Ike na ike ezute!

Tunjam, chịị n'ọdụ eke une
Nwa ọsa abịakwala ọzọ! (ahịrị 369-374)

Ọgụ ndị ọzọ a lụrụ n'abụ a bụ nke Ulku na ụmụ nnụnụ mgbe ọ chịịrị àkwá ha. Ụmụ nnụnụ lụsokwara Eke ụne na Ada ọgụ maka àkwá ha Ulku chịịrị ọzọ. Eke Une na Ulku lụkwara ọgụ mgbe mma Ulku na Ada rụrụ. N'ọgụ ndị a niile ka a nọrọ wepụtasịa ike na anwansị dị iche iche e ji mara emereme dike.
Ulku bụ ebe ndọkụrịta buru akụkọ ruo orurugha. Ọgụ ndị a dabakwara na njirimara abụ akụkọ dike. Odee nọkwara ebe a webata nka nkoobinelu nke ga-eme ka ọgụụ gụrụ gawa n'ihu. Ulku lụchara were amamihe ya dịka mmadụ rakọọ Eke na ụmụ nnụnụ wee gbalaga. Ebe a ka e nwere ndịda akụkọ. Na mmechi, odee kwuru na Eke Une lara ezumike ńkā na ndụ, n'abụghị n'ọnwụ.

3.2 Agwa na Akparamagwa
Ndị nchọcha gara n'ihu nyochaa agwa ndị pụtara ihe n'akụkọ a. O mere nnyocha a site n'ịgbado ụkwụ na nkewa agwa nke Ikeokwu (2008) nke na-ekwu na e nwere ụdị agwa atọ n'agụmagụ. Ụdị agwa ndị a bụ: agwa ọchọ ọdịmma nke onwe, agwa ọchọ ọdịmma nke ọhanaeze na agwa ọchọ ọdịmma nke onwe na ọhanaeze. Agwa ndị pụtara ihe nke ọma n'akụkọ a gụnyere: Eke Une, Ada, Ulku na Ọjụgo. Lee ha n'otu n'otu.

3.2.1 Eke Une
Nke a bụ isi agwa e nwere n'akụkọ a. Ọ bụ aha ya ka odee bara akụkọ a. Agwa a abụghị agwa mmadụ. Ọ bụ anụ ndọgbu ma bụrụkwa chi Une nke ndị Isieke na-achụrụ aja. O nweghị ihe akụkọ gwara anyị maka nwunye ya mana ọ mụtara otu nwa nwoke na nwaanyị. Ndị Isieke gburu ọkpara ya tupu akụkọ a amalite. O ji mmiri iyi Une mere ebe obibi. Ọ bụrụ na Une ataa n'oge ọkọchị, ọ na-ala mba site n'ịba n'ọnụọba nke bụ isi Une. Ọ na-esikwa n'ebe ahụ baa n'osimiri ọzọ dị n'ime ala. Ọ na-akwọ ada ya nwaanyị n'azụ ma ọ mewe ụdị njem a.

N'oge udummiri, ọ na-apụtakwa n'elu Une. N'abalị, ọ na-agbụpụta daịmọn nke o ji ahụ ụzọ were na-akpagharị n'ime ọhịa maka ịchụ nta. Anụ ọbụla o zutere aghọrọla nri nye ya. O toro ogologo buo ibu nke bụ na afọ anaghị eju ya eju. Odee kọwara na o were ọdụdụ ya guzoro ọtọ, ndị obodo niile na-ahụ ya. O ji ogologo

ya a wee na-akpa ike dị egwu. O nwere ike nọrọ n'iyi Une wepụta isi ya kpụrụ mmadụ nọ n'elu ala loo.

Eke Une zipụtara akparamagwa nke gosiri na ọ bụ agwa ọchọ ọdịmma nke onwe. Naanị ihe bụ mkpa ya mgbe dum bụ ọdịmma nke onwe ya. Ọ naghị enwe mmasị maka ọdịmma nke ndị ọzọ. O gosiri nke a mgbe dịnta kpuchiri daịmọn ya. Ọ malitere ibibi onye ọbụla ruru ya nso ruo mgbe daịmọn ya rukwara ya aka. Ọgbụgba ndụ ya na ndị Isieke gbara egbochighị ya ịgakwa n'ihu na-elo ha. Ha bịa ịchụrụ ya aja, ọ nara aja nara onye na-achụ aja rie.

A makwara chi Une dịka onye na-alụchitere ụmụ ya ọgụ. Ọ bọrọ ọbọ ọkpara ya ndị Isieke gburu n'oge gara aga. Ọtụtụ ọgụ ndị ọzọ ọ lụrụ n'akụkọ a bụ maka ada ya nwaanyị bụ Atụmbalarịa. N'ihi ada ya nwaanyị, ọ lụrụ ọgụ megide Ulku nakwa nnụnụ dị iche iche. Eke Une bụ dike n'agha. Ọ lụgidere agha tutu ruo mgbe isi ya niile sọrọ ọbara ọbara. Agha a bụkwa nke enweghị isi na ọdụ mana agha ndị a ataghị isi ya. Ọ lara ozuzu ike nka n'ime osimiri ime ala.

3.2.2 Ada (Atụmbalarịa)

Nke a bụ otu nwa Eke Une nke nọ ndụ. Odee kpọgasịrị ya aha ndị ọzọ dịke: Mamị, Atụmbalarịa na Adamma. Ọ bụ ọkara mmadụ ọkara agwọ. Site n'isi ruo n'ukwu, o yiri agbọghọ Ịndịa mana o nweghị ụkwụ kama ọdụ eke. Ntutu isi ya toro ogologo, na-eru ya n'ọdụ. Ọ mara mma nwaanyị nke mere ka ụmụ okorobịa na-enwe mmasị n'ebe ọ nọ. Dịka o si bụrụ nwa eze, nna ya na-ekuru ya n'olu oge ọbụla ha na-aga njem. Ọ bụrụ na ọ chọọ mmekọrịta ya na mmadụ, ọ na-eji sapo na ncha asa ahụ ma nweta ọdị dị mmadụ.

Atụmbalarịa zipụtara akparamagwa ọchọ ọdịmma nke onwe dịka nna ya n'akụkọ a. N'agbanyeghị na ọtụtụ ụmụ okorobịa na-enwe mmasị ebe ọ nọ, o jiri aka ya họrọ Mazị Ulku, bụ onye ihe ya na-amasị ka ọ bụrụ enyi ya. O nyere ya ọla majik naanị ka o were na-achịtara ya akwa ugo ma na-agụkwara ya egwu. Mgbe Ulku gwara ya ka ọ lụọ ya, ọ rara ya nye n'aka nna ya ka o nye ya ọnwụnwa na iyi egwu dị iche iche. Mgbe Ulku nagidere ihe ndị a niile, ọ gwakwara ya jiri ada nne ya chụọrọ nna ya aja iji gbanworo isi ya. Mgbe Ulku jụrụ, ọ gakwara n'ihu chọwa ịnara ya ọla majik ahụ nke butere nnukwu agha dike. N'agha ahụ ka ụmụ nnụnụ

sekapụrụ ya ntutu niile dị ya n'isi. Etu o sila dị, ya bụ agha erighị ya. Ọ soro nna ya laa ezumike nka n'osimiri dị n'ime ala.

3.2.3 Mazị Ulku

Ulku bụ nwoke mara mma ma dịrịkwa nta. Ihe ya na-amasị Ada nke mere ka ha bụrụ ezigbo enyi. O nwere otu nwanne nwaanyị aha ya bụ Ọjụgo. Ha abụọ bi n'otu ụlọ. Akụkọ arụtụghị aka maka nne na nna ya.

N'akụkọ a, Ulku zipụtara akparamagwa gosiri na ọ bụ ezigbo mmadụ. Ọ bụ agwa na-achọ ọdịmma nke ọhaneze. Ada ritere ọtụtụ uru n'aka yam aka ọ na-agba mbọ ịchịtara ya akwa ugo. Mgbe Ada chọrọ ka nna ya were isi nwanne ya nwaanyị ka alụmalụ ha dị ire, ọ jụrụ ajụ. Ọ chọghị iwere maka ọdịmma nke ya wee kwafuo ọbara mmadụ. Nke a mere ka ụtọ ya na Ada rụọ o wee nara ntaramahụhụ dị iche iche site n'aka Ada na nna ya. O nwekwara ọmiko n'ebe ụmụ mmadụ nọ mgbe ugo na okoko bịara buruwe ha n'ihi ụmụ ha ọ chịrị. Ọ hapụrụ ụmụ nnụnụ ndị a nke mere ka nnụnụ bughachikwa ụmụ mmadụ. Ọ zọpụtakwara ndụ Ọjụgo n'aka Eke Une na Ada mgbe ha zitere agwọ tara ya. O nyere ya akwa nza ọ nụọ dịka ọgwu ma dịkwa ndụ.

Agwa a zipụtara ọtụtụ emereme dike n'akụkọ a. Ọ bụ eziokwu na Eke Une ka ya wee mepụta emereme dike mana o kwesịrị ka e weliere ya aka. Ọ bụ okorobịa ụjọ adighị n'ime. Ọ nagidere ihe ụfụ mgbe Eke Une were ire rachachaa ya ahụ, loo ya ruo n'ụkwụ ma bulikwaa ya elu isi ya afọdụ ntakịrị ka o detụ urukpu. O jikwa ọla majik wee zọpụta Eke Une na Ada pụọ n'aka ugo na okoko chọrọ igbu ha. O jikwara ya bụ ọla zọpụta onwe ya na Ọjụgo n'aka Eke Une na ada ya site n'ịkpọtara ha ndị ọgụ. Agwa Ulku dabara na njirimara dike nke Vries (1986:20), Han (1986:22) na Reglan (1986:21) zipụtara. Akụkọ akọghị maka ọmụmụ Ulku mana etu ntọala si dị, a mụrụ ya n'ezinaụlọ a mara nke ọma n'obodo. Ọ kpara ike dị iche iche n'akụkọ a site n'ịlụsa nnụnụ na Eke Une ọgụ. Ọ bụkwa onye njem maka na ọ na-aga na mmiri ịhụ enyi ya nwaanyị Atụmbalarịa na-agakwa n'ọhịa ịchịtara ya akwa ugo. Dịka anyị gosirila, Ulku dị umeala bụrụkwa ezigbo mmadụ. Ọ bụkwa onye agha maka na ọ lụsoro ugo, okoko, eke na ada ya ọgụ ma merikwaa. Ulku bụkwa onye ma omenala obodo ha. Nke a mere o ji sonye n'iri ji ọhụrụ nke ndị Isieke. Ya na ndị mmụọ nwekwara mmekọrịta site n'ime Ada nwa mmụọ enyi. Odee kọwara na Ada nwere ahụ mmadụ nwekwaa ahụ azụ. Ọjụgo nwanne ya tiri mkpu na Ulku

mere alụmalụ ụmụ mmụọ. Ya bụ na Ulku zipụtara ọtụtụ akparamagwa dike nke e ji ama akwụkwọ abụ akụkọ dike.

3.2.4 Ọjụgo

Ọjụgo bụ agbọghọbịa mara mma. Ọ bụ nwanne Maazị Ulku. Ọ bụ ya na-elekọta ụlọ mgbe Ulku anọghị ya. Ọ mara agụ egwu nke ukwuu. Ọ bụ onye ọmiko. O nwere obi dị nro. Ọ mara jijiji mgbe ọ nụrụ na Ulku bụ onye ahụ Eke Une tụliri elu.

Ọjụgo bụ agwa zipụtara akparamagwa na-egosi na ọ na-achọ ọdịmma ọhaneze. Mgbe ọ hụrụ na Ulku ekotela okwu site n'alụmalụ ya na ụmụ mmụọ, ọ rịọrọ Ulku ka ọ gbalaga ka ya nwụchitere ya ọnwụ mana Ulku jụrụ ajụ. O tinyere onwe ya wee tawa ahụhụ ihe nwanne ya metere. O zipụtakwara akparamagwa dị ịtịnanya mgbe o soro Ulku were ọsọ rigoro elu osisi flawa izere ndụ ha n'aka agwọ Ada zitere. Agwọ a mechara taa ya mana Ulku nyere ya akwa nza, ọ nụọ dịkwa ndụ.

Ọjụgo na-agakwa ozi nke ọma. Ọ na-eji glasị ekutere Ulku mmiri mgbe akpịrị na-akpọ ya nkụ. Mgbe Ada tinyere idide na mmiri o kutere, o kutere ọzọ. Ọ na-ebunyekwa Ulku nri na mmanya iji leta ya anya nke ọma. Ọjụgo nọgidere nwanne ya n'akụkụ ruo na ngwụcha agha dike ha lụrụ. Agha a ataghị isi ha.

E nwekwara ụfọdụ agwa ndị ọzọ a kpọgasịrị aha n'akụkọ a dịka ndị Isieke, ndị agha France, dịnta, ọsa, eke nta, anụ ọkpọ mkpi, nza, okoko, ugo, anụ agwa dgz. Ha bụcha agwa ọchọ nke onwe bụ ndị lụsoro Eke Une na Ulku ọgụ wee mepụtachaa nkamma abụ akụkọ dike.

4.0 Mmechi

Isiokwu akụkọ a nke ọkọ akụkọ bụ n'obi ka ụwa niile hụ bụ ike dike kpara. Ulku jụrụ ajụ Ada ewee iwe malite ịgba ya mgba. Nke a butere nnukwu ọgụ dike na dike. Nke a pụtara ihe site n'udi agwa na akparamagwa dị iche iche odee kpụrụ. Site n'isi nke mbụ ruo n'isi nke iri ebe akụkọ a kwụsịrị, ihe jupụtara ya bụ ọgụ dike Eke Une nke ndị Isieke ji mere chi lụrụ. Ọ lụrụ megide dinta na anụ ọhịa dị iche iche o zutere mgbe ọ na-achụ nta n'ọhịa. Ọ lụkwara megide ndị agha France na dike mmadụ bụ Mazị Ulku. Ọ lụkwara megide ụmụ nnụnụ dị iche iche. N'ime

ọgụ a niile, ọ dịghị nke tara isi ya. N'agbanyeghị mmeru ahụ niile ọ gabigara, ọ gbanahụrụ ọnwụ wee laa ezumike nka n'ime osimiri dị n'ime ala.

O mekwara ihe ịtụnanya dị iche iche nke gosiri n'ezie na ọ bụ dike. Ilo mmadụ na-adị ya mfe ka ilo ụtara. O lokwara anụ rere ure ma o gbughị ya. O jiri asọ gbụkasịa ụgbọ elu ndị France. O loro anụ dị iche iche tụmadị nke nwere mpi agadaga. Ọ gbụpụ asọ n'ala, osimiri eribido ndị mmadụ niile. Ọ gbụlie ya elu, egwurugwu apụta n'igwe. O were ọdụdụ ya kwụrụ ọtụ, obodo niile a na-ahụ ya. Ulku bụ nwa mmadụ bịara nke bụ ọgụ dike ebiri ọkụ. Ulku katara obi lụso anụ ndọgbu a na nwa ya ọgụ ma ọ nwụghị. Ihe ndị a niile. Ihe ndịa niile bịara na mmezu site n'ụdị agwa na akparamagwa dị iche iche odee kpụrụ.

5.0 Nchọpụta/Mkpọku

Nnyọcha agwa ndị putara ihe n'abụa mere ka ọhaneze mata na e nwere ụdị agwa atọ ụmụ mmadụ na-ezipụta. Agwa ndị gunyere agwa ọchọ ọdịnma nke onwe, agwa ọchọ ọdịnma nke onwe na nke ọhaneze na agwa ọchọ ọdinma nke ọhaneze. Nchọcha a wee na-akpọku onye ọbụla tụmadị ndị ọchịchị obodo ka ha nomie agwa ọchọ ọdịnma nke ọhaneze ghara iji maka ihunanya ha nwere n'ebe ego na ihe ọchịchọ nke ụwa were na-akwapu ọbara mmadụ ibe ha.

Nrụmaka

Aruott. L. (2016). Epic and genre: Beyond the boundaries of media. *Comparative Literature.* 68 Grogan. B. (2012). Review: Chinua Achebe's Things Fall apart. *English in Africa*, 39(1), 221-225.

Hann, J. G. V (1986). "The Hero of Tradition" as in R. Umeasiegbu and F. Dibor (eds.)

Ikeokwu, E. S. (2008). Self-construct and characterisation: A focus on A. B. Chukuezi's plays. *Nsukka Journal of Humanities*, 17, 163-170.

Leszek. K. (2005). *Main currents of marxism*. New York: Norton and Company.

Maduakor. O. (1991). *Introduction to poetry*. Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Marx, K & Engels, F. (1848). *The communist manfesto*. Moscow: Progress Publishers.

Nzebunachi, A. I. (2009). *Nchịkọta akwụkwọ maka ide siniọ sekọndịrị.* Nnewi: Misfav Publishers.

Obike, E. (2007). *Eke une: An original Igbo ballad (poems).* Onitsha: University Publishing Company.

Okoye, O. L. (2004). *Ntụziaka maka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ na omenala Igbo.* Enugu: Innoge Trading Company Limited.

Reglan, L. (1965) 'The Hero of Tradition", as in Alan Dundes (ed). *The study of folklore*. Englewooci Cliffs: Prentice-Hall.

Vries, J. (1963). *Heroic songs and heroic legends.* London: Oxford University Press.